# ERÉRÉ JOSEF GAA IJIPT

## Jenesis 37:1-36

### IHE-Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 33 - Nke Ndị etiti

**AMA-OKWU IBU N'ISI: "Nāhunu ndi-iro-unu n'anya, nēmenu ihe ọma nye ndi nākpọ unu asì" (Luk 6:27).**

**Nwaokoro ahụ bụ́ Josef**

Josef bụ otù nime ndị pụrụ iche anyị nwere ihe ndepụta banyere ha nime Okwu Chineke dị Nsọ. Ewepụtara ọtụtụ amaokwu iji depụta ihe banyere ndụ ya na ọlụ ya, o nweghị kwa ihe mmegide ọ bụla ndị dere Akwụkwọ a maọbụ ndị náede akwụkwọ nwere megide omume ya. Devid bụ nwoke dịka obi Chineke si chọọ, ma o nwere oge nke adịghịike ya: Moses kwa ọ bụ ezie na o sitere n'ịgbasi mgbá ike n'ekpere tụgharịa obi Chineke ma o nwekwara mgbe o mere ihe náatọghị Chineke ụtọ. ma otú ọ dị, banyere Josef, anyị agụtaghị ihe ọjọọ ọ bụla ma ọ bụghị ezi ihe. O biri ndụ anaapụghị ịtaụta nke mere na eze Ijipt pụrụ ịchọpụta na o nwere Mmụọ Chineke, wee kwuo sị: "Ọ dịgh onye nwere nghọta, nke ma-kwa-ra ihe dịka gi."

Ụmụnne Josef ndịọzọ tọrọ ya ma ewepụ otù, ha niile nọ n'ọhịa náelekọta igwè ehi na atụrụ nna ha. Ụmụnne ya ndịọzọ adịghị mma dịka Josef dị nke mere ma mgbe ụfọdụ ọ naagwa nna ya banyere ajọomume ha. Chineke achọghị ka ụmụ Ya bụrụ ndị "oké okwukwu," mgbe niile ndị náewere akụkọ ukwu banyere ihe ntà naabaghị n'ihe náewegara ndị bụ nnenanna; ma ọ bụrụ na anyị ahụ́ mmehie nime nwanne maọbụ nwanna nke kwesịrị ka edozie ya, anyị ji hà ya dịka ụgwọ ikwupụta ya. Ọ bụrụ na ha aga n'ọkụmmụọ n'ihi na anyị nyeere ha aka ikpuchi ihe ọjọọ niile ahụ, ha pụrụ ịtụ anyị aka n'ụbọchị ikpé wee sị "I bụ Onye nke Kraist gịnị mere ị dọghị ayị aka ná ntị banyere ha?"

Nwata ahụ nke náanọ Chineke nso mgbe niile aghaghị inweta mkwutọ maọbụ ịchịọchị ọtụtụ mgbe. Ụfọdụ nwere ike ịkpọ ya "ome mma" maọbụ "ụkọ Chukwu" maọbụ aha ọzọ ọ bụla gaeme ka okpukpé ya bụrụ ihe eji achịọchị, ma mgbe ha dabara ná nsogbu, ọ bụ onye nke Kraist ahụ ka ha gaabịakute ya maka inyeaka. Lee otú ọ gaesi dị ha óké nwute mgbe onye ahụ nke kpọrọ onweya OnyeKraist náagaghị eguzosiike nime ijè ya na Chineke!

**Nrọ̀ Josef**

Jekob hụrụ Josef n'anya karịa ụmụnne Josef niile n'ihi na ọ bụ nwa Rechel na n'ihi na ọ nwara ike ya ime ihe gaatọ nnaya ụtọ. Ihe jikọtara ha abụọ karịsịa bụ na ha abụọ fere otù Chineke òfùfè, dịka mmekọrịta nke ezi ndị nke Kraist naeme n'ụbọchị taa. Ụmụnne Josef wee kwoso ya ekworo n'ihi iruọma pụrụ iche nke ọ chọtara n'ebe Jekob bụ́ nna ha nọ; ma ihe karịrị njọ mere mgbe Josef rọrọ nrọ̀ na ùkwùọka nke ụmụnne ya kpọrọ isiala nye ùkwùọka nke ya. Ha kọwara nrọ̀ a nkeọma mgbe ha chere na ọ pụtara na ha gaakpọ isiala nye Josef. Oge ahụ ruru mgbe ọ tọrọ ha nnọọ ụtọ nke ukwu ịkpọ isiala nye Josef.

Josef wee rọọ nrọ̀ ọzọ, na nke a ọbụná anyanwụ na ọnwa naakpọ isiala nye kpakpando ya: Jekob wee jụọ ya ma ya onwe ya kwa ọ gaakpọ isiala nye nwa ya nwoke ntà. O wee baara Josef mbà, n'ihi na ọ chọghị ka Josef were ịnyaisi mee onweya onyeisi ụmụnne ya, ọ chọkwara ka Josef bụrụ onye náedebe onweya n'okpuru ndị mụrụ ya. Ma Jekob tụgharịrị uche banyere nrọ̀ ndịa. Ọ mara na Josef bụ nwa Chineke náeleghịanya o nwere ihe Chineke chọrọ isite n'aka nwata nwoke a kpughe.

**Ụmụnne Ọjọọ**

Jekob nwere ọtụtụ igweehi na atụrụ ririnne, ụmụ ya kwa bụ́ ndị náazụ̀ anụ ndịa na esite n'otù ebe ịtanri rue ebeọzọ, nke náeme ka ha nọ n'ebe dị anya site n'ụlọ mgbe ụfọdụ. Shekem dị ihe ra ka iri mailị ise maọbụ iriisii site na Hebron, nke a mere ka échìchè banyere ọnọdụ ụmụ ya nọ n'ebe ahụ jupụta obi Jekob, nke mere na ọ chọrọ Josef ka ọ gaa leta ha. Josef mere ngwa ịzà nna ya òkù ahụ wee jee ijè nke ogologo ụzọ ahụ mmadụ náadịghị aga mgbe niile. Náánị obodo olenaole dị n'okporoụzọ ahụ, ọ dịghị kwa ihendepụta dị n'ụzọ nke gaatụziri ya aka otú ọ gaesi gaa, ma mgbe ọ naefugharị n'otù ọhịa nke dị nso na Shekem, o zutere otù nwoke nke hụrụ ebe ụmụnne ya nọ, nwoke ahụ wee gwa kwa Josef na ha agawo Dọtan, ihe dịka maịlị asatọ n'iru site n'ebe mbụ ha nọrị bụ Shekem. Ma Josef, nime adịghị ike ya, aghaghị kwa ijéru ebe ahụ, ma n'ikpèazụ̀ ọ chọtara ụmụnne ya. Obi ọ̀ dị ha mma ịhụ́ ya na ịnụ banyere ulo? É-è. Ọbụná tupu ya abịarue n'ebe ha nọ, ha naatụ àtụ̀màátụ̀ otú ha gaesi gbue ya. Ha wee cheta nrọ̀ niile nke Josef rọworo, ha nọ kwa n'iwe n'ihi naegwù naatụ ha na ọ gaje ịbụ onyeisi ha. Ijuanya dị añaa ka ha gaenwoworị maasị na ha pụrụ ilepụanya n'ọdin'iru wee hụ́ Josef n'ịdịelu na ebube nke ọchịchị nke ụlọikpé Ijipt, onyeọchịchị maọbụ onyeisi nke okwu ya bụ iwu. Ọ bụ ya bụ onye gaenwe ala niile n'igwè ehi niile nke mmadụ niile ma ewepụ náánị nke ndịnchụàjà. Mgbe ọ ganaejègharị n'ụgbọala ọkụ ya, ndịorù ganaaga n'iru ya naekwu sị, "Gbue ikpere." Ọ bụgh náánị umunne ya gaje igbu ikpere nye ya, kama ndị niile ọ gaezute maọbụ ndị gaezute ya.

Ma Josef gaebu ụzọ họ̣ ahụhụ tupu ọ bata n’ebube. Enwere ọtụtụ ihe yiri ibe ha na ndụ Josef na nke Kraist, Jisọs hụrụ ahụhụ arịrị (maọbụ nledaanya ) n’ụwa, na óké iheụfụ n’ụbọchị ikpèazụ̀ Ya; ma le, ka otuto na ebube nke mbiliten’ọnwụ Ya si dị óké ebube! Onyemmeri nke ọnwụ, ọkụalamụọ, na ílì!

Josef amataghị banyere mmeri nke ọ gaenwe n’ọdịn’iru nke ndụ ya, ma eleghịanya, mgbe ụfọdụ, ọ naatụ ya egwù náatụ kwa ya naegbuwo yarị ma ọ bụrụ na Ruben arịọghị arịrịọ banyere ya. Ruben bụ onye tọrọ ụmụnne ya niile bụrụ kwa onye nna ya tinyere ihe banyere ịdịmma na ịdị ndụ Josef n’aka ya. O wee tụpụta erò ka etinye Josef nime òlùlù. O nwekwara àtụ̀mààtụ̀ ịkpọpụta ya mgbe ụmụnne ya ndịọzọ lasịrị na izipụ ya ka ọ laghachị n’ụlọ.

Mgbe atụbasịrị ya nime òlùlù, ụmụnne ya nọdụrụ ala iri iheoriri. Obi ha siriike nke ukwu nke mere na ha échèghị échìchè ọ bụla banyere mmehie ha. Ma anyị gahụ n’ọdị-n’iru na ha èchefughị ihe ọjọọ ha mere, n’ihi na akọnauche ha nọ kwa náapịa ha ụtarị mgbe ọtụtụ oge gasịrị. Ndị mmadụ nwere ike chọ ka ha chéfue mmehie ha, ma Chineke agaghị ekwe ka ha chéfue ha. Mgbe isiike maọbụ nnupụisi nwata nụpụrụ ndị mụrụ ya naewute nwata ahụ n’obi, ọ bụ Chineke naagwa ya okwu, náachọ ka mmehie nwata ahụ wute ya.

Mgbe ụmụnne ya nọ ná nri, ha wee hụ ndị Ishmael ụfọdụ ka ha nọ n’elu anụibú kamel náaga Ijipt. Ndịa bụ ndị ahịa, ha naazụta ihe n’otù obodo, were ha ga obodo ọzọ, ree ha inweta urù. Mgbe ụfọdụ, ha naeji aghụghọ kpụrụ mmadụ re ha ka ha bụrụ ndịorù, ka ha wee nwee ike nweta ego. Juda hụrụ ụzọ na ohere ụmụnne ya gaesi nwe ego site n’ire Josef . Obi ha siriike nke ukwuu, nke mere na o metụghị ha n’obi maọlị mgbe ha hụrụ ka anaakpụrụ Josef ná àlá dịka onye egoro ego, onye nọ n’ahụhụ na ihe ụfụ n’ihi na ọ naaga n’ala ọ naamaghị, ebe ndị ọ hụrụ n’anya naanọghị na ebe ọ gaje ịbụ orù.

Ruben anọghị nso mgbe ụmụnne ya ndịọzọ tụpụtara àtụ̀mààtụ̀ iré Josef na mgbe ha rere ya, ma ọ tụrụ ya n’anya ịhụ́ na Josef anọghị kwa n’òlùlù ahụ ọzọ mgbe ọ laghchịrị. Ruben bụ onye ọlụ nke ịkọọrọ nna ha ihe banyere ndụ Josef dị n’aka ya, o wee ju ya anya otú ọ gaesi guzo n’iru nnenanna ya ịgwa ha na nwa nke ọ hụkarịrị n’anya anọghị kwa.

**Nghọgbu Ahụ**

N’ihi ala ijupụta n’anụ ọjọọ na ụzọ ịdị anya nke Josef gara tupu ọ chọta ụmụnne ya ọ dịịrị ụmụnne ya mfé ịghọgbu nna ha ka o kwere na otù anụ ọjọọ egbuwo Josef. Ha bịanyere uwe nwụda Josef nke tụrụ àgwà, nke ha maara nkeọma na nna ha gaamata na ọ bụ nke Josef, n’ọbara anụ nke ha gbuworo, wee wegara nna ha. Ha ekwughị na egbuwo Josef, kama ha jiri omume ha kwueokwu ụgha, nke dị njọ n’otùaka ahụ. Ụfọdụ mmadụ naechè na ọ bụrụ na ha ekwughị okwu ụgha ekwu ma mee ya emee, na ha emeghị ihe ọjọọ ọ bụla: ma mmadụ nwere ike ịghọ aghụghọ site n’omume, ma bụrụ kwa onye ikpé mara n’iru Chineke dịka ọ mara onye ahụ nke kwuru okwu ụgha ekwu. Chineke naachọ ka ụmụ Ya bụrụ ndi eziokwu na ndị ụzọ ha zikwara ezi, ma n’okwu ma n’omume.

O wutere Jekob nke ukwuu n’obi na ọ gaghị ahụ́ kwa Josef bú nwa ya anya ọzọ, nke mere na o nweghị onye ọ bụla pụrụ ịkasị ya obi. Nime ihe ndịa niile nke naeme, ụmụ ya ndịọzọ enweghị kwa ike ikwupụta mmehie ha. Nke a naegosi obi ike nke mmadụ naenwe mgbe ọ jụrụ ịña olu Chineke ntị.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ọ̀ bụ Josef bụ nwa nke ikpèazụ̀ nime ụmụ ndịkom Jekob?
2. Gịnị mere o ji bụrụ onye nnaya hụrụ n’anya karịsịa?
3. Ọ̀ bụ ginị ka ịkpọasị na anyaụfụ nke ụmụnne Josef kpatara ka ha mee?
4. Erere Josef iri mkpụrụego ọlaọcha abụọ. Ònye ka erere iri mkpụrụego ọla ọcha atọ?
5. N’ụzọ dị añaa ka ndụ Josef ji yie nke Jisọs?